## Children's consecration to Our Lady

Mary, my Mother,
today I come to you with joy,
to give you my whole heart.
I give you everything I have
and everything I do,
my whole life.
To you I bring every single person,
that I hold in love in my heart:
my parents, my brothers and my sisters,
all my friends,
but also those who have hurt me.
Be a Mother to us all,
bless and protect us.
I wish to be your child,
to love you as my Mother
and pray faithfully to you.
Help me to remember, each day,
that I belong to you.
Mother, I am yours,
now and for all eternity.
With you and through you
I want to belong completely to Jesus.

Amen.

# OTU NDE UMUAKA

## N'EKPE EKPERE ROSARI



Maka idiko n'ofu na udo

N'Ubochi nke iri n'asato n'onwa nke'iri

Aid to the Church in Need
ACN INTERNATIONAL

www.millionkidspraying.org info@millionkidspraying.org

# Ekpere Rosari Di Aso

1. Akara nke obe
2. Ekwem na Chukwu
3. Nna anyi no n'eluigwe
4. Ekele Maria Ugboro ato
5. Otito diri Nna
6. Ekpere Nke Fatima
7. Ihe omimi
- Nna anyi no néluigwe
- Ekele Maria Ugboro iri
- Otito diri Nna

## Akara nke Obe

Na aha Nna, na Nwa na Mmuo -Nso Amen.

## Ekwem na Chukwu

Ekwem na Chukwu, Nna onye puru ime ihe nile, onye kere eluigwe na ala, ya na Jesu Kristi so otu Nwa ya Eze anyi. Onye aturu ime ya site n'ike nke Mmuo-Nso. Amuo ya na Virgin Maria, otaa ahuhu n'oge nke Pontius Pilate, akpogbuo ya n'obe, onwuo, enie ya, Ozida na Muo, n'ubochi nke ato osi na ndi nwuru anwu puta, o rogoro n'eluigwe nodu n'aka nri Chukwu Nna, onye puru ime ihe nile. N'ebe ahu k'oga esi bia ikpe ndi di ndu na ndi nwu-ru-anwu ikpe.Ekwen na Mmuo-Nso, na nzuko nso Katolic, na mmeko nke ndi nso, na mg-ba-ghara nke njo, na mbilite n'onwu nke ahu na ndu ebebe. Amen.

## Otito diri Nna

Otito diri Nna na Nwa na Mmuo-Nso, etu odi n'izizi na kita n'ekpo nile n'uwa ebebe. Amen.

## Nna anyi no n'eluigwe

Nna anyi no n'eluigwe k'otito diri aha Gi. K'ochichi Gi bia. K'emee uche Gi n'uwa k'esi eme ya n'eluigwe.
Nye anyi tata, nri nke ubochi anyi, gbaghara anyi mmehie anyi, dika anyi si gbaghara ndi mehiere anyi. Ekwela k'anyi kwenye na nranye ma zoputa anyi n'ajo ihe. Amen.

## Ekele Maria

Ekele Maria ijuputara na grasia. Oserburuwa nonyere gi. I di ngozi n'etiti ikporo nile. Odiazi ngozi bu nwafo gi Jesu. Maria di aso, Nne nke Chukwu, riowara anyi bu ndi njo ariŕio, kita na amani onwu anyi. Amen.

## Ekpere Nke Fatima

O Jesu nkem gbaghara anyi njo anyiga, zoputa anyi na ahuhu nke oku muo, ziga mkpuru obi nile na eluigwe oka-chasi ndi na-acho enyemaka ebere Gi.

# Ekpere Rosari Umuaka – Ihe Omimi nke Anuli.

**1. Nke Mbu:**
K' anyi loo ka mmuoma Gabriel si kelee virgin Maria, Ijuputara na grasia, I ga abu nne nke Chukwu.

Maria di aso, Nne nke chukwu, anyi na ayo gi ka inye anyi okwukwe gi, ka anyi were nwe ike ime ihe nke chukwu choro ka anyi na eme.

**2. Nke Abuo:**
Ka Mmuoma gwara Maria na Elizabeth aturugo ime, ojesie ike ka ohu ya, ma nonyere ya onwa ato.

O nne nke Chukwu, yobara ndi ozioma ayiyo, ka ha nwe ike itoghata mkpuru obi ndi mmadu.

**3. Nke Ato:**
Ka oge ruru iji mu nwa, amuputara nwa bu jesu, na ime uchichi na Bethlehem, na uno anu di be ha.

Maria di aso, Nne nke Chukwu, anyi na ayo gi ka I yobara umuaka na ezinaulo ndi enweghi ebe obibi ayiyo. Mee ka ha nweta enyemaka.

**4. Nke Ano:**
ekutere jesu n'ulo uka, n'ubochi nke nwucha ya, ebe simeon di aso kelere ma gozie eze nke uwa.

O jesu, anyi ayo gi ka imee ka ndi amaghi gi mata na obu gi bu onye nzoputa nke uwa.

**5. Nke Ise:**
K' o ruru n'ubochi nke ato, akwudoro nwa bu jesu n'ulo uka, ebe o nonyere na akuziri, na aza ndi maara akwukwo.

Ezi Chukwu Nna, anyi ayo gi maka ndi nne na nna nke umu ha furu efu, ma ndi na acho nwa, mee ka ha kwenye na gi, ma mata na inonyere ha na nsogbu ha.